**TTB IGBO**

**ỤGBỌ NKE NDỤ (UNN) – 0099**

*Ilu nke ndi ọlụ egoro n’ubi vaịn, Jizọs mara ọkwa ọnwụ na mbilite n’ọnwụ ya na-abịanụ nke ugboro anọ na ise ya, ebe nne Jems na Jọn rịọrọ ka enye ụmụ ya abụọ ndi a ọkwa n’aka nri na n’aka ekpe Jizọs n’ala-eze ya, Jizọs meghere anya ndi isi abụọ nọ n’akụkụ ụzọ.*

Matiu 20 ji ilu nke ndi ọlụ egoro-ego ahụ egoro ịlụ ọlụ n’ime ubi vaịn malite, bụkwa nke bụ iga n’iru n’akụkụ malitere na Matiu 19 anyị gafewororị, banyeere ihe Jizọs kwuru maka ugwọ ọlụ. Akụkọ a mechiri ngalaba nke akụkọ dị n’Akwụkwọ Matiu bụ nke dị ka ọkwụsịrị n’ụzọ. Site n’isi okwu a gawa, ụda akụkọ nke Oziọma Matiu malitere ịda ike ike, ma Onye-nwe-anyị jeruru kpọm kwem n’Obe Ya ahụ. Isi okwu a nyekwara anyị ohere pụrụ iche iji mara ihe ụfọdụ na-ekwechaghị anyị ịghọta banyeere ọnọdụ nke Ala-eze nke Eligwe ahụ nọ ugbu a. Akọwara ụkpụrụ aga eji akwụ ụgwọ ọlụ n’ilu a. Ikwesi ntụkwasị obi n’ọlụ dị mkpa, n’ikpebị otu aga-esi akwụ ụgwọ ọlụ karịa ukwu-ọlụ-uku nke onye ọlụ ọbụla, ma ọ bụ ịma nma nke ọlụ ya.

# ILU NKE NDI ỌLỤ EGORO EGO N’UBI VAỊN

Matiu 20:1-16:

**“1 N'ihi na ala-eze elu-igwe yiri nwoke nke bu nna-nwe-ulo, onye puru n'isi-ututu igota ndi-ọlu ije n'ubi-vine-ya. 2 Ma mḅe ya na ndi-ọlu ahu nwere otù olu ka o nye ha otù shilling kwa-ubọchi, o zigara ha n'ubi-vine ya. 3 Ọ we pua dika oge hour nke-atọ, hu ndi ọzọ ka ha nēguzo n'ọma-ahia nālughi ọlu; 4 o we si ndi ahu, Unu onwe-unu ga kwa n'ubi-vine nkem, ihe ọ bula ziri ezi ka m'gēnye unu. Ha we je. 5 Ọ we pu kwa ọzọ dika oge hour nke-isi na nke-iteghete, me kwa otú ahu. 6 Ọ we pua dika oge hour nke-iri-na-otù, hu ndi ọzọ ka ha nēguzo; ọ si ha, Gini mere unu guzoro n'ebe a ubọchi dum nālughi ọlu? 7 Ha si ya, N'ihi na ọ dighi onye ọ bula goro ayi ilu ọlu. Ọ si ha, Unu onwe-unu ga kwa n'ubi-vine nkem.**

**8 Ma mḅe o ruru anyasi, onye-nwe ubi-vine ahu si onye o tiyere ihe-ya n'aka, Kpọ ndi-ọlu ahu, kwua ha ugwọ-ọlu-ha, malite site na ndi-ikpe-azu rue ndi bu uzọ. 9 Mḅe ndi egoro n'oge hour nke-iri-na-otù biara, ha we nata otù onye otù shilling. 10 Ma mḅe ndi bu uzọ biara, ha chère na ha gānata nke ka; ma ha onwe-ha nata-kwa-ra otù onye otù shilling. 11 Ma mḅe ha natara ya, ha tamube megide nna-nwe-ulo ahu, 12 si, Ndi-ikpe-azu a luru otù hour, i we me ka ayi na ha ra, ayi ndi būru ibu arọ́ nke ubọchi ta, ya na ifufe di ọku. 13 Ma ọ zara otù onye nime ha, si, Eyìm, emejọghm i: mù na gi enweghi otù olu ka m'nye gi otù shilling? 14 Welie nke bu nke gi, la; anamachọ ka m'nye onye-ikpe-azu a dika m'nye-kwa-ra gi. 15 Ò zighi ezi n'iwu ka m'were ihe nile nkem me ihe m'nāchọ? ma-ọbu ànya-gi jọrọ njọ, n'ihi na mu onwem bu ezi madu? 16 Otú a ndi-ikpe-azu gēbu uzọ, ndi bu uzọ gābu kwa ndi-ikpe-azu."**

AkỤkọ nke ilu a ka so akụkọ nke isi okwu ahụ gara aga. Matiu 19:30 sị," *Ma ọtutu ndi bu uzọ gābu ndi-ikpe-azu; ndi ikpe-azu gābu kwa ndi bu uzọ."* Ahịrị okwu 16 sị, *"Ya mere ndi-ikpe-azu gēbu uzọ, ndi bu uzọ gābu kwa ndi-ikpe-azu nihi na ọtụtụ ka akpọrọ ma ole na ole ka ahọọrọ."* Ị hụwo na na mbido na n'ọgwụgwụ ilu a ụkpụrụ nke ndi mbụ ịghọ ndi ikpeazụ na ndi ikpe azụ ịghọ ndi bu ụzọ bụ ihe mgbado ụkwụ dị na ya.

Nke a bu ilu dị ukuu nke na-akọwa isi okwu dị mkpa. Ogologo oge nke ndọgbu n'ọlụ ma ọ bụ ịdị elu na ịdị mkpa nke ọnọdụ gị abụghị ha ga-ekpeb iụgwọ ọlụ Ị gaje ịnata. Kama ihe agaje iji nihi ya agwụ gị ụgwọ ọlụ ga-abụ ikwesi ntụkwasị obi I gosiri n'ebe ọlụ Chineke tinyere n'aka gị dị, na-agụghị ma ọ dị nta ma ọ dị uku, ma ọ bụkwanụ ịdị nkenke nke oge iji lụa ya.

Enwere ike ọ bụrụ na Chineke akpọghị gị imere Ya ihe dị ịtụ n'anya, ajụjụ bụ ,Ọ pụrụ ịtụkwasị gị obi n'ihe ahu? Rịbakwa ama na-egosiri obi ọma nke Chineke n'ilu a. Anyị ekwesighị imere ndi chegharịrị n'oge ikpe azụ anya ụfụ. Emesịarị, ọ bụ site n'amara ka eji zọpụta anyị nile -- ọ dịghị onye n'etiti anyị tozuru ịnata ndụ ebighị-ebi.

## NKWUSA NKE UGBORO ANỌ BANYERE ỌNWU NA MBILITE N'ỌNWỤ NKE JIZỌS

Matiu 20:17-20 sị,

*"17 Mḅe Jisus nārigoro Jerusalem, O we kuru ndi-ozi iri na abua ahu iche, bú ndi nēso uzọ-Ya, tiyere Onwe-ya, O we si ha n'uzọ, 18 Le, ayi nārigoro Jerusalem; agārara kwa Nwa nke madu nye n'aka ndi-isi-nchu-àjà na ndi-ode-akwukwọ; ha gāma kwa Ya ikpé ọnwu, 19 rara Ya nye n'aka ndi mba ọzọ ka ha me Ya ihe-ọchì, pia Ya ihe, kpọgide Ya n'obe: agēme kwa ka O si n'ọnwu bilie n'ubọchi nke-atọ."*

Lee ka akụkọ a si dabeere n'ogbe dị iche iche nke ihe ndi ahu mere. Jizọs na ndi na-eso ụzọ Ya na-agbago site n'ofe ndagwurugwu Jọdan na-abịaru nso Jerusalem ebe Ọ ga-anwụ n'elu Obe.

Onwebeghị mgbe Onye-nwe-anyị kọwaruru ya nye ndi na-eso ụzọ ahụ n'ụzọ Ọ kọwara ya ugbu a. Nke ahụ mere ya nke ugbo anọ Ọ na-agwa ha – ogo nile ihe a ga-eso wee mezue – kpọm kwem ihe Ọ gaje ịgabiga. N'ezie, dịka mụ na gị na-agụ ya taa, anyị na-ahụ n'ụzọ owere anya bụ nkpebi nke obi nke Jizọs ịgaru Jerusalem iji nwụọ ọnwụ. Ka anyị tụgharịa uche na nke a. Ọ kpachaara anya jee ebe ahụ iji nwụọ nihi mụ na gị. Nke ahụ kwesirị ntụle, ọ bụ ezie na o siiri ndi na-eso ụzọ Ya ike ịnabata.

## ARỊRỊO NKE NNE JEMS NA JỌN RỊỌRỌ

N'oge a pụrụ iche bụ mgbe Jizọs NA-EKWU GBASAARA ọnwụ Ya na-abịanụ, nne Jems na Jọn bịakwutere Ya ịrịọ Ya ọtu ihe. Anyị ga-ahụ nke a na Matiu 20:20-28

*"20 Mḅe ahu nne umu Zebedi biakutere Ya, ya na umu-ya ndikom, nākpọ isi ala nye Ya, nāriọ kwa Ya ihe n'aka. 21 O we si ya, Gini ka i nāchọ? Ọ si Ya, Kwue ka umum ndikom abua ndia nọdu, otù n'aka-nri-Gi, otù n'aka-ekpe-Gi, n'ala-eze-Gi. 22 Ma Jisus zara, si, Unu amataghi ihe unu nāriọ. Ùnu puru iṅu iko ahu nke Mu onwem gaje iṅu? Ha si Ya, Ayi puru. 23 Ọ si ha, Ikom ka unu gāṅu n'ezie: ma inọdu n'aka-nrim, na n'aka-ekpem, abughi nkem inye, kama ọ diri ndi Nnam doziworo ya. 24 Ma mḅe ndi-ozi iri fọduru nuru ya, iwe were ha nke-uku n'ihi umu-nne abua ahu. 25 Ma Jisus kpọrọ ha biakute Ya, si, Unu amatawo na ndi bu isi nke mba nile ọzọ nēme ha dika ndi nwe ha: ndi uku ha nāchi kwa ha. 26 Ọ bughi otú a ka ọ gādi n'etiti unu: kama onye ọ bula nke nāchọ ka eme ya onye uku n'etiti unu, ọ gābu onye nējere unu ozi;*

*27 ọzọ, onye ọ bula nke nāchọ ka ọ buru onye-isi n'etiti unu, ọ gābu orù-unu: 28 dika Nwa nke madu abiaghi ka ejere Ya ozi, kama ka O je ozi, ka O were kwa ndu-Ya nye ka ọ buru ihe-nḅaputa n'ọnọdu ọtutu madu."*

"*Kwue ka umum ndikom abua ndia nọdu, otù n'aka-nri-Gi, otù n'aka-ekpe-Gi, n'ala-eze-Gi."* Nke a bụ arịrịọ nke onye nne! N'ọnọdụ, ma ọ bụ mgbe ọzọ nke ahụ gaara abụ ihe ana-ahụ mgbe nile, nne ọbụla chọrọ ihe uku nye ụmụ ya, ma ugbu a ọ dabaghị adaba. Nwanyị a kọjọrọ oge nke ha nọ n'ime ya, bụkwa nke gosiri na ọghọtaghị ihe na-eme n'etit ha n'oge ahụ.

Anyị ka nwe n'ọgbọ dị ugbua ndi nwere oke ịnụ ọkụ nke obi karịrị ka achọrọ ya, bụ ụdị nke ana-ahụ n'ebe a. Nne ụmụ ndi ikom Zebedi chọrọ ọkacha nma nye ụmụ ya ndi ikom abụọ bụ Jems na Jọn.

Mgbe Jizọs matara ihe ọ chọrọ, Ya dụa ya na ụmụ ya ọdụ dọọkwa ha aka na ntị. Ya Onwe Ya maara na ịta ahụhụ na-ebuteere mbuli elu ụzọ. Jems na Jọn ha pụrụ ịnagide ịta ahụhụ? Ha abụọ mere ngwa kwere na ha pụrụ ịnagide ya. Jizọs mesiri ha obi ike n'olile anya na ha pụrụ inwete ohere ime ka nkwa ha ahụ mezue.

O nwe ike ịbụ na ha abụọ mesịrị kwaa ọnụma nihi nkwa ahụ ha ji ịcha anya kwe. Ma, Ị ga-achọpụta na ọtụtụ oge anyị na-eme ka ha; n'iji ọnụnụ ọkụ nke obi kwee nkwa iji nwee ike nweta ihe anyị na-achọ. Mgbe ụfọdụ anyị na-emejọ karịa ha, ọ bụ ugboro ole ka anyị na-akwaba ụmụ anyị n'ọnọdụ dị aṅaa nanị iji mezue ọchịchọ nke mpako obi anyị na ịchọ ka ọha mara anyị?

Ọzọkwa, Onye-nwe-anyị n'azịza  Ya asịghị ọ dịghị ọnọdụ dịịrị madụ ọbụla n'akụkụ aka nri ma ọ bụ aka ekpe Ya. Nkọwa Ya bụ Ya agaghị enye Jems na Jọn nwanne ya ọnọdụ ahụ mgbe ha na-egosibeghị na ha ziri ezi ịnọ na ya, kama na ọnọdụ ahụ dịịrị ndi jikere onwe ha nke ọma ịnọ n'ọkwa ahụ.

Ka M mee ka o doo gị anya na Eligwe ga-eru onye ọbụla na-arịọ ịba ya. Rịba ama na onweghị ihe , *onweghị ihe* ọzọ achọrọ ka I mee iji nwee nzọpụta. Azọpụtawo gị nihi okwukwe gị na Jizọs kraịst site n'amara Ya pụrụ iche. Ma otu ọ dị, enyi M, Ọkwa na ụgwọ ọlụ gị n'Eligwe ka Ị ga-ekpebi ihe ha ga-abụ site n'ụwa ebe a. Nke ahụ dị oke mkpa, bụrụkwa ihe ndi nke Kraịst leghaworo anya. Kedu ụdị ebe Ị na-akwadoro onwe gị? Na Ndi filipayị 3:14 Pọl sị, *"anamaḅakuru ókè iḅa-ọsọ ka m'we nata ihe anāḅata n'ọsọ nke ọkpukpọ di elu nke Chineke nime Kraist Jisus."* Nsogbu ndi nke Kraịst nwere taa bụ na ọ bụ nanị ọnụ ọgụgụ dị nta na-eme ihe ọbụla iji rite ihe ọbụla.

Ọ dị mkpa anyị ịmata na nzọpụta bụ onyinye amara, ma ọ natara ya aghaghị iso n’ọsọ iji nata ụgwọ ọlụ.

Jizọs na-akọwapụta ụzọ ọhụrụ aga-eji alụ ọlụ na mbuli elu n’ọkwa so ya, bụ ihe kwesirị ido ndi nọ n’ọlụ dịirị ndi nke Kraịst anya. Enyi M, ọ bụrụ na Ị chọrọ ịbụụrụ Onye-nwe-anyị abụ, Kpachara anya hụ na Ị kpapụghị ndi ọbụ-abụ ndi ọzọ n’ụsọ. Eleghaarala ndi ọzi ndi ọzọ nihi na Ị bụ onye nkwusa ‘uku’. Ị chọ inwe ọkwa ọbụla n’ime Nzukọ Kraịst, achọla la ya site n’ịzọda ndi ọzọ n’okpuru ụkwụ gị. Onye-nwe-anyị mere ka o doo anya na onye chọrọ ịlụrụ ya ọlụ si otu ahụ ghọo onye uku aghaghị ịnara ọnọdụ dị ala.

Ahịrị okwu nke 28 dị ịtụ n’anya n’ezie, onye nke Kraịst ọbụla kwesirị iji ya mere ihe O bu n’isi bụ nke Ọ pụrụ icheta mgbe nile Ọ chọrọ, *“... dika Nwa nke madu abiaghi ka ejere Ya ozi, kama ka O je ozi, ka O were kwa ndu-Ya nye ka ọ buru ihe-nḅaputa n'ọnọdu ọtutu madu*.” I kwesighị ichefu okwu a echefu mgbe ọbụla ka ọ ga-abụ na mgbe ọbụla I nwere ohere ịgbara Kraịst ama, gị enwee ike kọọ nanị ihe mere Jizọs ji bịa n’ụwa: ihe Ọ bịara ime.

## JIZỌS GWỌRỌ NDI IKOM ABỤỌ KPURU ISI

Jizọs na ndi na-eso ụzọ Ya ka nọ n’ụzọ ijeru Jerusalem bụ mgbe ha sitere n’etiti Jeriko gafee. Nke ahu bụ ntụgharị azụ njem nke nwoke ahụ si Jerusalem na-agbadaru Jeriko nke dabara n’aka ndi na-apụnara madụ ihe n’ike. Onye-nwe-anyị si na Jeriko na-agbago Jerusalem iji nwụa n’etiti ndi ori. Okporo ụzọ Jizọs jere ije Ya na ya bụ okporo ụzọ nke mụ na gị na-apụghị ịlaghachị azụ wee jee ije na ya. Ọ bụ nanị site n’okwukwe ka anyị aghaghị iji bịakwute Ya nihi na Ọ nwụchiteere anyị ọnwụ.

Chetu, ụfọdụ ndi na-ekwu na nihi na n’oge nke Ya onweghị ihe O mere iji gọrọ onwe Ya, na nke ahụ mere ndi nke Kraịst ji kwesi igbaso Ya mee ka nke ahụ ghọọ omenala ha. Ma I lezie anya Ị ga-ahụ na ọ dị ọtụtụ mgbe Ọ gbasiri ụkwụ ike n’ala iji debe oke ruuru Ya. Ọ gọtaaraghị onwe Ya mgbe O jeruru Jerusalem wee nwụa nihi na Ọ weghara ọnọdụ Mụ na gị***, nihi na ọ bụ anyị bụ ndi ikpe mara***. Chetakwa na onweghị ikpe ekpere ma ọ bụ onye gọrọ agụgọ ọbụla. Ọ bụ nke a mere O ji zaghị ha ajụjụ ọbụla ha jụrụ Ya. ***Nmehie Mụ na gị ka eboro Ya n’ebubo nile ahụ ha boro Ya n’oge ahụ.***

Ka anyị gụa akụkọ ahụ na Matiu 20:29-34,

*“29 Mḅe ha nāputa na Jeriko, oké ìgwè madu we so Ya. 30 Ma le, ndi-ìsì abua ndi nānọdu n'akuku uzọ, mḅe ha nuru na Jisus nāgabiga, ha tie nkpu, si, Onye-nwe-ayi, mere ayi ebere, Nwa Devid. 31 Ìgwè madu ahu we bara ha nba, ka ha kpuchie ọnu-ha: ma ha tikariri nkpu, si, Onye-nwe-ayi, mere ayi ebere, Nwa Devid. 32 Jisus we guzo, kpọ ha, we si, Gini ka unu nāchọ ka M'mere unu? 33 Ha si Ya, Onye-nwe-ayi, ka ewe meghe anya-ayi. 34 Ma Jisus, ebe O nwere ọmiko n'aru-ha, O we metu anya-ha aka: ngwa ngwa ewe me ka ha hu uzọ, ha we so Ya.”*

Rịba ama na ha kpọtara aha Ya nke ọma – *“Jizọs Nwa Devid”* Ha nabatara ịbụ Onye Eze Ya. Nwanyị Saịrọfinisịa ebuworị ụzọ kpọ Ya Nwa Devid, bụ n’oge ahụ Jizọs chetaara ya na ọ bụ onye na-enweghị ihe nketa ọbụla n’aka Ya. Ndikom ndi a bu ndi Juu nwere ihe nketa n’arụ Ya, ya mere ha rịọrọ Ya ka O nye ha ihe dịka oke ruuru ha!

Ihe bụ mkpa ha ezoghị ezo. Gịnị kwanụ mere Onye-nwe-anyị ji jụọ ha ihe ha chọrọ ka O meere ha? Enyi M, ị ghaghị iji ọnụ gị gwa Onye-nwe-anyị Jizọs ihe na-akpa gị mgbe ọbụla Ị bịakwutere Ya. Ị chọ ka Ọ zọpụta gị, Ị ghaghị ịgwa Ya na Ị bụ onye nmehie chọrọ nzọpụta. Ma I meghị otu ahụ, Ị gaghị enweta nzọpụta. Nke ahụ bụ ya bụ ihe nkpọbi ụkwụ nke Obe ahụ. Ọ ga-amasị madụ nile ịbịarụ n’Obe ahụ ma ọ bụrụ na aga-ekwe ka ha buru *‘ụda na-esi isi ụtọ’* bụ ezị omume nke onwe na ọlụ-aka ha bịa. Ma enyi M, nke ahụ dị ka ewu ịchọ iso enwe rigoro n’elu osisi ga biri. Mụ na gị enweghị ezi ndụ na ọlụ anyị pụrụ iche Chineke n’iru ka onyinye ma ọlị. Ị ghaghị ịbịakwute Ya dịka onye nmehie wee nabata ya ịbụ Onye nzọpụta nye gị. Ya mere ndị isi abụọ ahụ ji mkpa ha bịakwute Jizọs rịọọ Ya sị, *“Onye-nwe-ayi, ka ewe meghe anya-ayi”*

***OKWU NCHỊKỌTA***

Onye-nwe-anyị gwọrọ ha, ha wee sobe ya. Chetakwa ebe Ọ na-eje-- Ọ nọ n’ụzọ Ya ijeru n’Obe ahụ. Ọ NA-AGA iji kwụọ ụgwọ nmehie nile nke ụwa. Nke ahụ gụnyere mụ na gị.